lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Mbido nke Nzukọ-nsọ

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Mgbe Jizọs nwụrụ, ndị na-eso ụzọ ya nọ n’egwu zoro onwe ha.  Mgbe Jizọs si n’ọnwụ bilie, o gosiri ndị na-eso ụzọ ya onwe ya. Jizọs dị ndụ!  Ma Jizọs zubere  ịhapụ ha, ịlaghachi n’Eluigwe ebe Ya na Chineke bụ Nna Ya nọrị mgbe niile.



Tupu Ọ gawa, Jizọs kwere ndị na-eso ụzọ ya nkwa na ya ga-ezite Mụọ nke Chineke ka ọ bụrụ onye nkasi-obi na onye enyemaka ha (Jọn Isi nke iri na ise: Amokwu nke iri abụọ na isii). Oge ahụ dị nso! Ụbọchị ole na ole ka Jizọs lachara, Chineke nke Mmụọ Nsọ bịakwara.

Otu a ka o si mee. Ihe dị ka otu narị mmadụ na iri abụọ na-eso ụzọ Jizọs nọ na-ekpekọ ekpere ọnụ n’otu ụlọ. Na mberede, ụlọ ahụ jupụtara n'ụda nke oké ifufe na-efe efe.



Ire ọkụ wee dịkwasị n’isi onye ọbụla.  Ha niile jupụtakwara na Mmụọ Nsọ - dị ka Jizọs kwere ná nkwa!



N'ime obodo, ndị na-eso Jizọs na-asụ asụsụ ndị ha na-amụtụbeghị.  Ndị mba ọzọ bịara Jeruselem nụrụ ka ndị na-eso ụzọ Jizọs na-ekwu banyere ọlụ ebube Chineke n’ọtụtụ asụsụ dị iche iche.  O juru ndị ọbịa ahụ anya.  “Olee ihe nke a nwere ike ịpụta?” ka ha jụrụ.
“Ha ejuputawo na mmanya ọhụrụ,” ka ndị ọzọ kwara emo.



Ma Pita sịrị, “Ndị a aṅụghị mmanya ... nke a bụ ihe ekwuru site n’ọnụ Joel onye amụma ...” Pita wee chetara ha na ọtụtụ afọ gara aga, Chineke ekwewo nkwa na Mmụọ Nsọ ga-abịa gọzie ma nyere ndị mmadụ aka.



Pita gwara ndị mmadụ na ha ga-ahapụrịrị mmehie ha ma mee baptizim n’aha nke Jizọs Kraịst. “... unu ga-anatakwa onyinye nke Mmụọ Nsọ,” ka Pita kwuru. Ihe dị ka mmadụ puku atọ rubere isi.  Ha sonyeere ndị na-eso ụzọ Jizọs wee na-efe Jizọs ofufe.  Ka oge na-aga, a na-agbakwunyekwu ọtụtụ mmadụ n’ọgbakọ Chineke nke malitere ụbọchị Mmụọ Nsọ biara.



Mụọ Nsọ ahụ mere ka ike ya dịkwasị na ndụ ndị nke Chineke niile.  Otu ụbọchị, Pita na Jọn gakọrọ n’ụlọ nsọ n’oge nke ekpere.  Otu onye arịrịọ dara ngwọrọ nọ ọdụ n'azụ ọnụ ụzọ ụlọ nsọ ahụ.  Ọ rịọrọ Pita na Jọn ego.





Pita wee sị, “Enweghị m ọla-ọcha na ọla-edo, ma ihe m nwere ka m ga-enye gị, n’aha Jizọs Kraịst nke Nazaret, bilie ma jee ije.” O wee jide ya n'aka-nri, dọlie ya elu.  Ya mere, ọ wụliri elu, guzo, ma sorokwa ha baa n'ụlọ ukwu nke Chineke - nēje ije, na-awuli elu, na-etokwa Chineke.

Ọlụ ebube ahụ tụrụ oke igwe mmadụ ahụ gbakọtara n’anya.  Pita gwara ha na ọ bụ ike Chineke gwọrọ nwoke ngwọrọ ahụ, ọ bụghị ike nke ya.  Mgbe Pita chetaara ndị Juu a na Chineke kpọlitere Jizọs n’ọnwụ, ndị isi ụlọ nsọ ji iwe jide Pita na Jọn ma tụba ha n’ụlọ mkpọrọ. Otú ọ dị, ihe dị ka ndị ikom puku ise kweere na Jizọs.



N’echi ya, Pita na Jọn guzoro n’ihu ndị isi ụlọ nsọ. “Olee ike ma ọ bụ aha onye ka i jiri mee nke a?” ka ndị ọchịchị ahụ jụrụ. N'ijupụta na Mmụọ Nsọ, Pita ji obi ike zaa sị, “... n'aha Jizọs Kraịst Onye Nazaret, Onye unu kpọgidere n'obe, Onye Chineke mekwara ka o si na ndị nwụrụ anwụ bilie, site n'aka Ya ka nwoke a na-eguzo n'iru unu n'ahụ zuru oke.”





Pita gara n'ihu n'atụghị egwu, "... ọ dịghị aha ọzọ n'okpuru eluigwe nke e nyere n'etiti mmadụ nke a ga-eji zọpụta anyị." N'achọghị ka ndị mmadụ kwere na Jizọs, ndị ọchịchị ahụ yiri Pita na Jọn egwu. "Site ugbua gaa n'ihu, unu agaghị agwa onye ọbụla okwu n'aha Jizọs."

Pita atụwori egwu na mbụ iguzooro Jizọs. Ma nke ahụ bụ tupu Muọ Nsọ abịakwasị ha.



Ugbua, ọ dịghị onye pụrụ ime ka ọ tụọ ụjọ. Pita na Jọn zara sị, “Ma ọ dị mma n'anya Chineke ige unu ntị karịa ige Chineke ntị, unu kpee ikpe ya, n'ihi na anyị aghaghị ikwu ihe anyị hụrụ na ihe anyị nụrụ.”

Mgbe iyi-egwu ndị ọzọ gasịrị, ndị ọchịchị ahụ tọhapụrụ Pita na Jọn.  Ndị ohu Chineke nwere obi ike gwara ndị ibe ha ihe niile gbasara ụlọ mkpọrọ na ụlọikpe. Ha wee nwee nzukọ maka nnukwu ekpere na otuto nye Chineke. Ọzọ, Mụọ Nsọ nke Chineke mejupụtara ndị ya n’ike – obere nzukọ-nsọ ahụ gakwara n’iru na-eto eto.



Mbido nke Nzukọ-nsọ

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Ọlụ Ndị Ozi Isi nke mbụ rue nke anọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.